
# MU ONWEM BU UZO



*"Jisus si ya, Mu onwem bu uzo, na ezi - akwu, na ndu: O digh onye O bula nabiakute Nnam, ma-obugh site na Mu" (Jon 14:6).*

*Nye Onye Ije-Ibem Na-Uzo-Ije Ndu A:*

Otu nime ubochi ndia, mu na gi gaje irapu ebea - elegh anya o me ngwa karia otu ayi chere. I matara uzo irigo eli'gwe?

Otutu ndi amara - aha - ha na-eche na ha gaeru elu-igwe, site nime ezi-omume, iga choch (ma obu ulo-uka) ma obu site ibu onye n'ekpere Chineke. Ha nwere ike me ma-obu buru, ma nka abugh uzo nke Chineke. Ihe ndi ahu di nma n'onodu ha ma ha abugh uzo eligwe.

Uzo isi rigo nelu-igwe bu Jisus. "Mu onwem bu uzo, na ezi-okwu na ndu: O digh onye o bula nabiakute Nnam, ma-obugh site na Mu" (Jon 14:6).

Otu nmehie wepuru Adam na Eve na ogige Iden ebigh - ebi, obukwa otu nmehie gaemechibido gi onu-uzo elu-igwe ebigh - ebi kama oburu na itukwasi obi na Onye nwe ayi Jisus Kraist bu Onye-nzoputa gi. Itukwasila ya obi? Gini mere imegh otu ahu ugbua? Ma-oburu na imebegh otu ahu. Ekwensu nasi: "Chere nwa oge." Chineke si: "Ugbua."

Nime okwu ya, Chineke gwara ayi nani ebe abua onye-obula ga-ano ebigh-ebi. Otu bu oku ala mo:

"O buru kwa na ahugh onye obula ka edere aha ya n'akwukwo nke ndu ahu, ewe tuba ya n'odo oku ahu" (Nkpughe 20:15).

"Ma ndi . . . nekwegh ekwe . . . oke-ha gabu nime odo ahu nke ji oku na brimstone nere, nke bu onwu nke abua ahu" (Nkpughe 21:8).

"Mgbe ahu O gasi kwa ndi no n'aka ekpe - ya, Puanu n'irum, ndi anabu onu, ga n'oku ebigh-ebi ahu nke edo ziworo nye ekwensu na ndi - mo - ozi - ya. . . . Ndia gapu je ba n'ahuhu nmehie ebigh-ebi" (Matiu 25:41, 46) ". . . ba n'oku ala mo, n'oku anyugh - anyu; ebe ikpuru-ha nadigh, - anwu, oku-ha adigh - anyu kwa anyu" (Mak 9:43, 44).

Nke ozo bu eluigwe ebe Onye nwe ayi Jisus no, ebe ndi agbaputara ga anokuru ya.

"Ka obi - unu ghara ilo miri: kwerenu na Chineke, kwere-kwanu na Mu. N'ulo Nnam otutu ebe - obibi di; Oburu na o bugh otua, Mga gwawori unu; nihi na anamaga idoziri unu ebe. Oburu kwa na Mu aga idoziri unu ebe, agajem ibia ozo, M'ganara kwa unu nye Onwem; ka unu onwe unu we no kwa ebe Mu onwem no" (Jon 14:1-3).

"Ojuju-afo onu di n'iru gi; E! uto di iche iche di n'aka-nri-Gi ebigh-ebi" (Abu Oma 16:11).

"O gehichapu kwa anya miri nile obula n'anya ha; onwu agagh adikwa ozo: ihe mgbu nile agabigawo" (Nkpughe 21:4).

Chineke emewo ka oputa ihe bu ihu-na-anya

na amara ya n'enwegh usọtu na inye ayi Ọkpara Ọ huru n'anya iburu Onye nnọchite n'iwepu nmehie ayi site na ọnwu - ya n'elu obe.

Mgbe Jisus nọ n'uwa Ọ siri: "Biakutem, unu ndi nadọgbu onwe-unu n'ọlu, ndi ebowor-okwara ibu di arọ, Mu onwem geme kwa ka unu zuru ike" (Matiu 11:28). "Onye nabiak-utekwam M'gagh achupu ya ma-ọli" (Jon 6:37). Jisus, Onye nwe - ayi nke siri n'ọnwu bilie, n'achọsi ike ta ka ndi nmehie biakute ya, ha na nmehie nile na mkpa ha dika mgbe Ọ n'okwa n'uwa netiti ndi madu. Ọburu na ibiakute Jisus dika onye nmehie, ma tukwasi obi na ya ka onye Nzọputa gi, i ga-nata nkwa Chineke na-aga agbagh-ara gi nmehie i na iga ala kwa nelu-igwe (Act 10:43). UZỌ IBA N'ELU-IGWE BU JISUS, ma ọdigh ọzọ.

"N'ihi na Chineke huru uwa n'anya ọtua, na O nyere ọbuna Ọkpara Ọ muru nani ya, ka onye ọbula nke kwere na Ya we ghara ila n'iyi, kama ka ọ nwere ndu ebigh-ebi" (Jon 3:16).

"Onye kwere n'Ọkpara ahu nwere ndu ebigh-ebi; ma onye nekweyegh Ọkpara ahu agagh-ahu ndu, kama iwe Chineke nanọgide n' aru-ya" (Jon 3:36).

**Word Of Truth**, P.O. Box 1126, Kaduna, Nigeria